lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Pita na Ike Ekpere



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Janie Forest
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Ruth Klassen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Pita onye-ozi gazuru ebe niile n'obodo ahụ igwa ndị ọzọ banyere Jizọs.



Otu ụbọchị, n'otu obodo a na-akpọ Lida, ọ hụrụ otu nwoke nke dina n'àkwà, n'ahụ kpọnwụrụ akpọnwụ, afọ asatọ.  Pita wee sị, "Jizọs Kraịst agwọwo gị."  "Bilie chịrị ute gị." Nwoke ahụ biliri ozugbo.  Ndị niile hụrụ nke a tụghariri gakwuru Jehova.

N’otu obodo dị nso bụ Jọpa, ndị mmadụ nọ na mwute. Otu nwanna nwaanyị aha ya bụ Dọkas anwụọla. N'ụzọ dị mwute, ndị enyi ya kwadebere ozu ya maka olili, wee tinye ya n'ime ụlọ-elu ebe ha nọ

na-erukọ uju ọnụ.





Ma ndị enyi Dọkas nụrụ na Pita nọ n'ógbè ahụ. Ha kpọrọ Pita ka ọ bịa Jọpa ozugbo. Mgbe ọ bịarutere n'ọnụ ụlọ dị n'elu, ndị inyom di ha nwụrụ gosiri ya uwe elu na uwe Dọkas kparala ha. Onye ọbụla nọ na-ebe akwa.

Ma Pita chụpụrụ ha niile, gbuo ikpere n’ala kpee ekpere.  O wee chigharịa n'arụ ahụ, Ọ si, “Dọkas, bilie.”  O wee saghee anya ya abụọ, mgbe ọ hụrụ Pita, o wee guzo ọtọ.





O wee nye ya aka ya, dọlie ya elu; ma mgbe ọ kpọrọ ndị-nsọ (Ndị Kraịst) na ndị inyom di ha nwụrụ, o wee gosi ya na ndụ.  E wee mara ya na Jọpa niile, ma ọtutu mmadu kweere n'Onye-nwe-anyị.

Pita nọrọ ogologo oge na Jọpa, n'otu ụlọ dị n'akụkụ oké osimiri. Otu ụbọchị Pita rigoro n'elu ụlọ ikpe ekpere. A sị na o lere anya n'ahụ́ mgbidi



obodo ahụ, ọ ga-abụ na ọ hụla ndị njem atọ na-abịa ịhụ ya.

Ndị ikom a bụ ndị ohu nke otu onye-agha Rom aha ya bụ Kọniliọs onye na-efe Chineke ofufe. Kọniliọs zipụrụ ndị na-ejere ya ozi ka ha chọta Pita n’ihi na otu mmụọ ozi gwara ya n’ọhụ sị, “Zienụ ozi ka a kpọta Pita.”



Mgbe Pita na-ekpe ekpere n’elu ụlọ, Chineke zitere ya ọ́hụ̀. Ọ dị ka nnukwu mpempe akwụkwọ a na-eweda n’ala. N'elu mpempe akwụkwọ ahụ bụ anụmanụ na nnụnụ. Pita nwere ike ịsị na ndị a “adịghị ọcha”. Nke ahụ pụtara na e kweghị ka ndị okpukpe Juu rie ha. Na mberede, otu olu bịakwutere ya. “Bilie, Pita, gbuo ma riekwa.”



“Ọ bụghị otú ahụ, Onye-nwe anyị!” ka Pita gwara Chineke.  N'ihi na ọ dịghị mgbe ọbụla m riworo ihe ọbụla nke na-ezighị ezi maọbụ ihe na-adịghị ọcha.  Otu olu gwara ya okwu nke ugboro abụọ.  “Ihe Chineke mere ka ọ dị ọcha, ị gaghị akpọ ya ihe nkịtị.”  E mere nke a ugboro atọ.  E wee weghachi mpempe akwụkwọ ahụ n'eluigwe ọzọ.



Pita aghọtaghị ihe ọhụ ahụ pụtara. Ka ọ na-eche banyere ya, Chineke gwara ya na ndị ikom atọ na-achọ ya, na ya ga-eso ha gaa. Mgbe ndị ikom atọ ahụ gwara Pita na otu mmụọ ozi dị nsọ gwara Kọniliọs ka o ziga kpọọ ya, Pita matara na Chineke na-edu ya. N'echi ya, ya na ndị enyi ya isii ahụ gara n'ụlọ Kọnịliọs.





Ikekwe, ka ọ na-aga n'ụlọ onye na-abụghị onye Juu, Pita malitere ịghọta na Chineke hụrụ mmadụ niile n'anya - na Chineke chọrọ ka mba niile mara na Jizọs bụ Onye Nzọpụta nke ụwa.  Mgbe Pita rutere, Kọnịlịọs dara n’ala fee ya ofufe.

“Bilie, mụ onwe m bụkwa mmadụ,” ka Pita gwara Kọniliọs.  O wee sị ndị niile nọ n'ulo ahụ, “Unu onwe unu matara na o zighi ezi n'iwu onye Juu ikpọkọ maọbu jekuru otù mba ọzọ.”



“Ma Chineke egosila m na agaghị m akpọ mmadụ ọbụla onye na-ezighị ezi maọbụ onye na-adịghị ọcha.”



Pita gwara ndị Jentaịlụ (ndị na-abụghị ndị Juu) na Jizọs bụ Ọkpara Chineke nke nwụrụ n’elu obe wee bilie ọzọ ịbụ Onye Nzọpụta nke ụwa. Mmụọ nsọ wee dakwasị ha niile, ha wee malite ito Chineke. Ọ tụrụ ndị enyi Pita isii bụ́ ndị Juu n’anya. Ọ dị ka Pentikọst. A na-awụkwasịkwa ndị mba ọzọ onyinye nke Mmụọ Nsọ. Pita wee mee ndị ọhụrụ niile ahụ kwere ekwe na Jizọs baptizim.



Na Jerusalem, Ndị Kraịst baara Pita mba maka ileta ndị Jentaịlụ.  Ya mere, Pita gwara ha banyere ọhụ ndi ahụ ya na Kọnịliọs natara n’ekpere.  Mgbe ha nụrụ ihe ndị a, Ndị Kraịst nọ na Jerusalem gbachiri nkịtị.  Ha wee too Chineke, Onye jiworo ekpere gosi ọgbakọ Ndị Kraịst na ịhụnanya Chineke bụ maka mmadụ niile.



Pita na Ike Ekpere

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Ọlụ Ndị Ozi Isi nke itoolu rue nke iri na abụọ

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.